# lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

## Mbido ntarama ahuhu nke mmadu bidoro



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Byron Unger; Lazarus

Onye haziri ya/Onye nhazi:
M. Maillot; Tammy S.

Onye tughariri okwu a: Ekwealor Sylvia Ujunwa

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2016 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.



Chineke kere ihe nile! Mgbe Chineke kere mmadu mbu nke bu Adam, ya na nwanyi ya bu Eve wee biri n'ime ala okuku ihe oma nke bu Eden. Ha nwere nnukwu onu n'iruwere Chineke isi na kwa nnokorita ha Chineke rue otu ubochi ...



“Chineke o gwara unu erikwala mkpuruosisi ndi a nile?” Ekwensu n'udi agwo juru Eve. Eve zara si, “anyi nwere ike iri mkpuruosisi ndi a nani otu ka anyi a gaghi eri.”



"Ubochi anyi riri ya, anyi ga anwu. Anyi rie ma obu metu mkpuruosisi a aka anyi ga anwu." "Unu agaghi anwu", ekwensu n'udi agwo aghogbuo Eve.



“I ga agbanwe bia di n'udi oyiyi Chineke”. Eve wee choo mkpuruosisi ahu. O gere ekwensu nti wee rie mkpuruosisi ahu.

Ka oge Eve mmehie chara
Chineke, o mere kwara ka
Adam rie mkpuruosisi ahu.
Adam gara asi, “Mba!
a gaghi m emehie
okwu Chineke”.





Mgbe Adam na Eve mmehiere
Chineke, ha mara na ha gba oto.  Ha
mekotara ahihia were kpuchie ahu oto ga
kwa zoo fue onwe ha n'ihu chineke n'ime ohia.

N'oge chi ojiji, Chineke biara n'agahari ka ha nwee mkparita uka. Chineke a marala ihe Adam na Eve mere.



Adam bufere ya n'obu nwanyi ya kpatara ha jiri wee mehie Chineke, Eve wee si n'obu agwo nke bu ekwensu kpatara ihe a. Chineke wee buo agwo onu. Buo kwa nwanyi onu si, “nwanyi ga na enwe nnukwu ihe ufu mgbe oga amu nwa”.



"Adam maka mmehie gi, a buola m ala onu. I ga ata ahuhu nke ukwu tupu gi enwete ihe oriri gi ubochi nile".





Chineke chupuru
Adam na Eve n'ime
omaricha ala okuku
ihe.  Maka mmehie
ha, e wepuru
ha nnokorita
ha Chineke
n'enye ndu!



Chineke wee dowe nma agha nke na egbu amuma i jiri gbochie Adam na Eve. Chineke mere ihe mkpuchi ahu oto nke o ji anu ahu umu anumanu. Kedu ebe Chineke siri nweta ihe ndi a?

Oge na adighi anya, Adam na Eve bia nwee ezinulo. Aha nwa ha nke mbu bu Cain, onye akukumaku ihe oriri na-kwa onye nlekota ihe okuku, nwa ha nke abuo bu Abel, onye ozuzu na nlokota aturu.



Otu ubochi Cain wetara Chineke ufodu akwukwo nri dika ihe onyinye. Abel wetara Chineke nwa anumanu kacha umu anumanu nile o na-azu dika ihe onyiye.

Chineke nwere nnukwu obi uto ebe Abel noo na kwa ihe onyiye ya, O wee nata ihe onyinye ya ma goziekwa ya.



Obi adighi Chineke nma ebe Cain na ihe onyinye ya noo. Cain were iwe nke ukwu u. Mana Chineke gwara ya si, "O buru na imere ihe kwesiri ka imee, o bu m agaghi anabata ihe onyinye gi?"



Cain ka bukwa iwe ahu n'obi. Otu ubochi, mgbe ufodu oge gachara Cain lusoro nwanne ya nwoke bu Abel ogu ma gbuo ya n'ebe ha na aru oru.



Chineke juru Cain si ya, “kedu ebe nwanne gi nwoke Abel no?” Cain gwara Chineke okwu ugha si, “Amaghi m! Abu m onye nche nwannem?” Chineke tara Cain ahuhu site na i napu ya ikike o jiri aku oru ubi ma mee kwa ya ka o na agahari na enweghi onodu.



Cain wee puo n'ihu Chineke. Cain luru nwanyi bu otu nwa nwanyi Adam na Eve. Ha abuo wee mubaa ezinulo.



Mgbe na adighi anya, umu umu
Cain na kwa umu umu umu Cain
bara uba n'obodo Cain hutara.



Otu ntabi anya ahu, ezinulo Adam na Eve bara uba nke ukwuu.  N'oge ahu ndi mmadu na ebi otutu afo n'elu uwa tupu ha anwuo karia oge mgbu a.



Oge Eve muru Seth, Eve wee kwuo si, “Chineke enyehachila m nwa nkasi obi ga anochite anya Abel”.  Seth bu nwa na atu egwu chineke o biri afo nari itolu na iri na abuo n'elu uwa ma muo kwa otutu umu.





n'elu uwa ndi mmadu biara di
njoo nke ukwu u dika ka agburu
di iche iche na agafe. N'ikpeazu,
Chineke wee kpebie n'ime
onwe ya imebi
elu uwa ...

... na kwa umu anumanu na anu ufe nile. Chineke nwere nwute na o kere mmadu. Mana o nwere otu nwoke ndu ya masiri Chineke ...



Nwoke a bu Noah.  O si na-agburu Seth, Noah bu onye ndu eziokwu ma kwuwa aka ya oto.  O na eso nzokwu ma o bu uzo Chineke.



O kuzie kwara umu ato ka n'eruwere Chineke isi. Chineke wee kpebie ka o were Noah kwara ngwooru puru iche di omimi n'uzo di iche.



Mbido ntarama ahuhu nke mmadu bidoro

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke, bu akwukwo nso

Di n'ime

Akwukwo Jenesis 3-6

"Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe."
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.